# ALỤMDI NA NWUNYE NA ỊGBA ALỤKWAGHỊM N'ALA IGBO N'OGE GBOO NA KA Ọ DỊ N'OGE UGBUA

**Ann C. Onyekelu, PhD**
**Department Of Igbo, Africa and Communication Studies**
**Faculty of Arts**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
ac.onyekelu@unizik.edu.ng

## Ụmịedemede

Alụmdi na nwunye n'ala Igbo dị ọkpọtọrọọkpụ nke na tupu nwoke na nwaanyị ebiri dịka di na nwunye, nwoke ahụ ga-eme ihe n'isi nwaanyị ahụ dịka omenala obodo sịrị dị nke gosiri na ọ lụọla nwaanyị ahụ. Ọ bụkwa eziokwu na ọtụtụ ụmụ nwoke anaghị eme ihe n'isi nwaanyị tupu ha ebiwe obibi di na nwunye mana nke a adabaghị n'usoro omenala ndị Igbo. Nsogbu kpaliri nchọcha a bụ ka ịgba alụkwaghịm na oke esemokwu siri jụpụta n'ọtụtu ezinaụlọ n'oge ugbua. Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta etu alụmnwaanyị dị n'oge gboo na ka ọ dị n'oge ugbua, iji mata ihe kpatara oke ịgba alụkwaghịm na oke esemokwu. E ji usoro nchọcha sọvee na ajụjụọnụ e depụtara n'akwụkwọ wee nweta ngwa ọrụ e jiri dee nchọcha a, nke a nyeere nwanchọcha aka ịchọpụta ihe dị iche n'alụmnwaanyị n'oge gboo na n'oge ugbua. Ọ bụ atụtụ kọmplimentariti nke Geoorge Isac wepụtara n'afọ 2000 ka a gbadoro ụkwụ mee nchọcha a. Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ụmụnwoke na ụmụnwaanyị ndị lụrụla di na nwunye ọtụtụ afọ. Ihe a chọpụtara gosiri na n'oge gboo a na-agba njụ tupu a lụọ nwaanyị iji mara ma ezinaụlọ na agwa nke nwaanyị a na-achọ ịlụ ọ dịkwa mma. Ma n'oge ugbua, ihe a na-alụzi bụ mma àhụ́ n'agbanyeghị ihe ọjọọ ndị ọzọ dị n'ahụ nwaanyị ma n'ezinaụlọ o siri pụta. A chọpụtakwara na n'oge gboo, ọ bụ iwu na okenye ga-eso ga lụta nwaanyị mana n'oge ugbua, ụfọdụ ebirila be nwoke, mụọ nwa tupu e mewe ihe n'isi nwaanyị ahụ. A tụrụ anya na nchọcha a, ga-eme ka ndị ntorobịa na-alụ nwaanyị n'ụzọ ekwesịghị ekwesi kwusi ya. Site n'ihe a chọpụtara nwa nchọcha na-atụ arọ ka onye ọbụla nwere mmasị ịlụ di na nwunye, were akwụkwọ nchọcha a gụọ n'ihi na ọ ga-abụ ihe ntụzịaka iji belata ịgba alụkwaghịm n'ala Igbo n'oge ugbua.

### Ndubanye

Ndị Igbo bụ ndị jiri omenala ha kpọrọ ihe nke ukwuu nke na-apụta ihe n'ụdị ndụ ha na-ebị, nkwenye ha, akparamagwa ha, usoro mmekọrịta ha na ndị agbataobi ha, usoro alụmdi na nwunye na usoro azụmahịa ha na ụzọ obibi ndụ ha ndị ọzọ.

N'ime ihe gbasara isiokwu a, ọtụtụ mmadụ emeela nchọcha banyere ọtụtụ ihe gbasara alụmdi na nwunye mana o nwebeghị onye dere gbasara alụmdi na nwunye na ịgba alụkwaghịm n'ala Igbo. Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe kpatara oke esemokwu na ịgba alụkwaghịm jiri karịa n'obodo ugbua karịa n'oge ochie. Nke ọzọ bụ ịchọpụta ihe ndị nwere ike ibute ịgba alụkwaghịm n'ọtụtụ ezinaụlọ.

Alụmnwaanyị n'ala Igbo bụ nnukwu ihe bụrụkwa omenala nwere ugwu na nsọpụrụ purụ iche. Ofomata (2012) kọwara alụmdi na nwunye dị ka ewumewu nke Chukwu jiri aka ya hibe nke malitere kamgbe ụwa malitere wee rue taa. Obodo niile na-alụ nwaanyị mana omenala ịlụ nwaanyị abụghị otu ihe n'obodo niile, ka obodo siri dị iche ka emereme alụmnwaanyị siri dịkwa iche maka ọkwa mba na-achị n'olu n'olu ma ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu. Agụgụ (2006) kọwara na nwoke ga-etozu ma dikwa

nkwadebe maka obibi ndụ ezinaụlọ, etu a ka ọ dịkwa n'ebe nwaanyị nọ. Nne na nna na-enye nwa ha nwaanyị ọzụzụ pụrụ iche maka ihe ndị Igbo na-elekwasi anya n'oge gboo were alụ nwaanyị bụ ezigbo agwa nwaanyị. Nke a gosiri na-alụmdi na nwunye n'ala Igbo abụghị osisi e ji akpụka mma egbu.

Alụmnwaanyị n'oge ugbua dị ka Ofomata (2012) siri kọwaa adịghị ka ọ dị n'oge gboo, ọtụtụ ihe agbanweela. Alụmnwaanyị bụzi ka o siri masi onye. Ihe ha na-elekwasa anya alụ nwaanyị n'oge ugbua bụ mma àhụ́, nwaanyị nwere ego, nwaanyị nne na nna ya nwere ego na nwaanyi nwere akaọrụ. Ụfọdụ ụmụnwoke na-alụ nwaanyị na Bekee nke pụtara ịlụ nwaanyị n'ụzọ ije n'amaghị obodo di si pụta. Ụfọdụ na-alụ nwaanyị na ibe ha na-alụ n'amaghị na lụmnwaanyị bụ ihe nwoke na nwaanyị kwesiri ịdị nkwadobe maka ya ka ọ ghara ịbụ a lụa taa a gbasaa echi.

Nsogbu nchọcha a bụ na ọtụtụ ndị mmadụ edebeghị banyere alụmnwaanyị n'oge gboo na oge ugbua maọbụ ịchọpụta ka ịgba alụkwaghị siri karịa n'ala Igbo n'oge ugbua karịa ka ọ dị n'oge gboo. Nke a mere, nwanchọcha ji chọọ ileba anya etu a ga-esi akwalite alụmdi na nwunye iji belata oke esemokwu na ịgba alụkwaghịm jupụtra n'oge ugbua.

Nchọcha a ga-abara ọhanaeze uru ọkachasi n'ala Igbo. Nchọcha a ga-enye aka mee ka a mara ka ịlụ nwaanyị n'ụzọ omenala si dị mkpa. Nchọcha a ga-enye aka mee ka a na-enwe ezi nkwekọrịta n'etiti ezinaụlọ nwoke na nwaanyị n'alụmdi na nwunye. Nchọcha a ga-eme ka nwoke na nwaanyị na-alụ di na nwunye banye ọhịa ajụju tupu ha ekwekọrịta na ha ga-alụ. N'ikpeazụ, nchọcha a ga-enyere ndị nkuzị, ụmụakwụkwọ, ndị na-eme nchọcha, ndị ntorobịa na ọha obodo gbaa gburugburu aka ka ha mara ụdị nwaanyị ha ga-alụbata n'ụlọ maka ezi aha ka ego.

**Ntulegharị Agumagụ**

Ntulegharị agụmagụ a dị oke mkpa iji mee ka mmụta nwachọcha bawanye tupu ọ gaa n'ihu mee nnyocha nke ya. O kwesiri ka a mata ihe ndị odee rụpụtara mgbe gara aga bụkwa ihe ndị gbasara isiokwu a.

Ebe a ka a kọwara ọkpụrụkpụ okwu ndị pụtara ihe n'edemede a dịka ọtụtụ ndị ọkammụta siri dee ma kowaa ha. Mkpụrụokwu ndị a ga-eleba anya bụ alụmalụ, omenala ịzụlite nwa, alụkwaghịm na ezinaụlọ.

**Alụmalụ**

Alụmalụ bụ njikọ nwoke na nwaanyị iji wube ezinaụlọ. Usoro alụmdi na nwunye abụghị otu ihe n'ala Igbo dum, obodo ọbụla na-alụ nwaanyị etu o siri masi ha, mana otu ihe pụtara ihe bụ, nwoke ga-etoru ihe e ji mmadụ eme, maka ilu nwaanyị abụghị nkụ e ji akpụka mma egbu maọbụ ọkụ nwata na-agba agada wee na-anya .

Dịka Anozie (2003) kọwara na alụmdị na nwunye bụ mbikọta ọnụ nwoke na nwaanyị n'ụzọ omenala siri kwadoo ya. O kwukwara na alụmdi na nwunye bụ nnukwu ihe nwere nsọpụrụ pụrụ iche n'ebe ndị Igbo nọ.

Alụmnwaanyị abụghị ihe otu onye na-eme, o metutara ụmụnne na ụmụnna nke nwoke na nke nwaanyị chọrọ ịbanye n'ewumewu ezinaụlọ. Ndị Igbo na-ekwu n'okwu na otu onye anaghị alụ nwaanyị. Nke a pụtara na ụmụnne nke nwoke niile ga-etinye aka n'ilekọta nwaanyị a, n'aka nke ọzọ, nwaanyị a ga-abụrụ nne nyere ụmụnne di ya niile site n'ịrụ ọrụ nne n'ezinaụlọ ahụ.

**Omenala**

E nwere ike si na omenala bụ ụzọ ndụ. Ọ bụ usoro obibi ndụ nke e ji ahụba mba maọbụ agbụrụ ama. Omenala na-ezipụta onwe ya site ka ndị si asụ asụsụ, ka ndị si eji ejiji, ka ndị si akụ egwu ma na-agba egwu, ụdị nri ndị na-eri, ewumewu dịka alụmdi na nwunye. Omenala bụ usoro obodo kwenyere iji bie ndụ ha, nke gunyere okpukperechi ha, akparamaagwa ha, ịkwa nka ha, akaọrụ ha na nkwenye ha,ihe ndị a ka ha na-enyefe ụmụ ha site n’agbụrụ,maka obodo ọbụla na-azụlite ụmụ ha n’ụzo ha si ebi ndụ ha iji belata ihe ọjọọ n’obodo. Obodo ọbụla nwere etu ha kwekọrịtara iji chịkọta akparamaagwa ka obodo na-aga n’ihu, maka e wepu omenala onye ọbụla ga na-ebi ndụ otu o siri masi ya. Ọtụtụ ndị merela nchọcha banyere omenala mere ka ọ doo anya na asụsụ bụ otu ihe kacha kwụpụta akwụpụta n’omenala.

Ekwealor (2010) nyere nkọwa omenala dịka ihe nrubaama dị na mmadụ maọbụ obodo nke na-epulite site na nchekwa gbasara ihe mara mma puru igosipụta ihe ndị ọzọ mmadụ mepụtara a hụrụ dịka ihe a na-emekọ ọnụ. Ọ bụ omenala na-ezipụta ebumnuche e ji eme ihe.

Ekwealor (1998) kwuru na omenala pụtara etu ndị si ebi ndụ. Ọ gakwara n’ihu kwuo na ọ bụ omenala ndị ka e jị amata ha. Ọ bụ nke a mere na ọ dị nnukwu mkpa na ndị ọbụla na-echekwa omenala ha. Obodo ọbụla na-azụlitekwa ụmụ ha n’ụzọ ha si ebi ndụ ha, nke a pụtara na omenala anaghị anwụ anwụ. Kama ọ na-etowanye kwa mgbe kwa mgbe n’ihi na ọ na-anabata ma ihe ọhụrụ dị iche iche site n’omenala ndị agbataobi.

Ọfọmata (2012) kwuru na omenala bụ ihe e ji ama ndị, agbụrụ, mba maobụ obodo. Omenala na-egosipụta ka ndị si ebi ndụ ha. Ndụ anyị nọ na ya nwere usoro kwesiri ka e were na-ebi ya. Mgbe ọbụla a gbahapụrụ usoro ndị ahụ, ndụ agaghịzikwa adị ka e siri chọọ ya. Ọ bụkwa omenala bụ usoro ndụ ndị Igbo.Ufọdụ n’ime omenala ndị igbo bụ; alụmdi na nwunye, echichi, ọmụgwọ, ipueze, mmọnwụ, ekike, ịgba afa, ekele, ịgba mgba, egwu ọnwa na mmemme ndị ọzọ. Ihe ọbụla ndị Igbo na-eme nakwa etu ọbụla ha si eme omume gbadoro ụkwụ n’omenala ha, ihi na “ngwere gbawa ọsọ were hapụ ụkwụ osisi, aka akpara ya”.

**Ọzụzụ Nwa**

Ọzụzụ nwa pụtara ụzọ dị iche iche e si akụzi maọbụ gbaziere nwa ka o tolite n’ezi omume. Mgbe nne na nna mụtara nwa ihe ọzọ chere ha n’ihu bụ izulite nwa ahụ n’ụzọ dị mma, maka ndị Igbo nwere olile anya na nne na nna zụchaa nwa, nwa azụgharịa ha. Nke a kpatara ma onye ukwu ma onye nta ji agba mbo ịhu na ha zụrụ ụmụ ha nke ọma.

Nzụlite nwa dịka Ogbalu (1987) siri kọwaa bụ ụzọ a ga-esi enyere nwa aka ka o were tolite n’ezi omume. Ọ gara n’ihu kọwaa na nzụlite nwa bụ nnụkwu ọrụ chere ezinaụlọ ọbụla n’ihu maka mgbe nwaanyị mụtara nwa, ihe ọzọ na-esochi ya bụ ihe a ga-eme ka nwa ahụ na-eto n’ezi omume. Nzulite nwa bụ ọrụ dịịrị ikwunaibe maka ịmụ nwa ọjọọ na-emetọ ezinaụlo na obodo gbaa gburugburu.

Mmaduabụchukwu (2014) kwuru na ụmụaka na ndị nne ha na-ebido n’afọ akparịtaba ụka. Ọ bụ ya mere o ji kwuo si na be ọzụzụ ụmụaka kwesiri ibido bụ n’ime afọ nne ha. Nke a pụtara na ndị nne maara ma ghọta ụmụ ha nke ọma karịa nna ha maọbụ ndị ọzọ dịka ndị agbataobi na ikwunaibe.

Mmaduabuchukwu gara n'ihu kwuo na oge nwata ka nọ n'afọ anọ maọbụ ise, ka ọ na-ebido jụba ajụjụ dị iche iche nwere ike ịgba mmadụ gharị, dịka kedu ihe na-ejide ọnwa na anyanwụ? kedu ebe Chukwu bi?Ọ bụ ihe i nyere ha ka ha ga-ebu n'uche too. Nke a pụtara na ụmụaka chọrọ enyemaka ndị nne na nna ha oge niile ịjị nweta ezi ọzụzụ kwesiri ekwesi, ka ha ghara ijehie ụzọ maọbụ nweta mmụta ekwesịghị.
Ihe ọbụla gbasara ọzụzụ nwa nwere ka ndị igbo sị ghọta ya, ọ bụ ya mere na etu ndị Igbo sị ghọta ya, Agbụrụ ọbụla na-azụlite ụmụaka ha site n'ịgbaso usoro omenala ha. Omenala dịka anyị maara bụ etu ndị si ebi ndụ ha.

**Alụkwaghịm**

Ekwealor (2010) kọwara alụkwaghim dịka nkewa di na nwunye mgbe ha enwekwaghị ike ịnagide onwe ha. Ọ kọwakwara na oge gboo, ọ na-ara ahụ nwoke ịgba nwunye ya alụkwaghịm maka ndị be nwoke na ndị be nwaanyị na-agba mbọ ịhụ na e doziri esemokwu dapụtara n'etiti di na nwunye ahụ. Ọ kọwara na ndị Igbo anaghị enwekebe nsogbu ịgba alụkwaghịm n'ihi na ezinaụlọ abụọ a nwa ha na-eseokwu na-etinye aka kpezie ma wetakwa udo.

Alụkwaghịm bụ mgbasa di na nwunye nke na-efeghari dịka ajọ ikuku, na-efesa ọnọdụ ezinaụlọ ma butekwa ihe ọjọọ nye onye ọbụla nọ n'ezinaụlọ ahụ, ọkachasi n'ebe ụmụaka nọ. Akparamaagwa ụmụaka a mụrụ n'ezinaụlọ a gbara alụkwaghịm na-adị iche na-ebutekwa ịla azụ n'ihe gbasra omume
.

**Ntulegharị atụtụ**

Tupu echiche a bụrụ atụtụ e tinyela ya n'ọrụ ma hụ na o mejụpụtara ebumnuche e jiri wepụta ya. Ọtụtụ ndị ọkammụta echepụtala echiche otu a ga-esi eme ihe ka o were daba adaba ma dị n'usoro. Echiche ndị a ha chepụtara ma tinye ha n'ọrụ ka a na-akpọ atụtụ. Dịka isiokwu edemede a siri dị, Atụtụ nwanchọcha ga-agbado ụkwụ bụ Atụtụ *kọmplimentariti* (complementarity theory), nke Geoorge Isac wepụtara n'afọ 2000 iji leba anya otu ihe maọbụ karịa si emekọta iji mepụta ihe, maka otu ezughị ịkwụrụ onwe ya wee mepụta ihe. Ọmụmaatu-Nwoke na-alụ nwaanyị iji mụta nwa, aka nri kwọọ aka ekpe, aka ekpe akwọọ aka nri iji kwọchapụ aka, **dg**.

Ọtụtụ ndị ọkachamara e werela atụtụ a rụọ ọrụ, otu onye n'ime ha bụ Hornby(2001) ebe ọ kọwara na atụtụ a metụtara usoro obbi ndụ ndị mmadụ aka nke ukwuu maka mmadụ na-ebi ndụ n'ụwa site n'enyemaka mmadụ ibe ya. Ọ gara n'ihu kọwaa na o nweghị ihe mmadụ ga-eme ma e wepu enyemaka onye ọzọ.

Onye ọzọ tinyere atụtụ a n'ọrụ bụ Fiske (2000) kọwara na, atụtụ a mere ka a mata ụrụ mmadụ baara ibe ya maka otu osisi anaghị emebe oke ọhịa, ya bụ onye tinye aka ka obodo ji aga n'ihu. Atụtụ kọmplimentariti dabara n'isiokwu nwachọcha na-ede maka ya, maka na mbikọta ọnụ nwoke na nwaanyị bụ ụdị mmekọ e ji amụta nwa.

**Nkọwa Ihe Butere Alụkwaghịm**

Site na nchọcha e mere, ndị gboo na-elekwasa anya n'ihe ndị gbasara agwa nwaanyị dịka nwaanyị ịdị ike n'ọrụ, nwaanyị nwere ezigbo ọzụzụ, nwaanyị anaghị ezu ohi, nwaanyị na-ekwu eziokwu na nwaanyị n' nweghị ọrịa ọjọọ. Mana, n'oge ugbua ihe ụmụnwoke na-elekwasa anya were alụ nwaanyị bụ nwaanyị mara mma, nwaanyị nwere ego, nwaanyị nwere akaọrụ, nwaanyị nna ya nwere ego maọbụ nwaanyị nna ya pụtara ihe n'ochịchị ala anyị.

Ihe a chọpụtara gosiri na alụmdi na nwunye n'oge gboo bụ nke ezinaụlọ nwoke na nke nwaanyị ga-enwe ezi nkwekọrịta, jụọ ajụjụ ndị kwesiri ekwesi iji mara ma ezinaụlọ

ndị a adịkwa mma ịlụ nwaanyị maọbụ di. Ụbọchị a ga-aga ije nwaanyị ndị okenye apụta maka a sị na a chụwa aja ma ahụghị udele a mara na ihe mere n'ala ndị mmụọ. Nwaanyị ga-aga ile ala n'obodo nke nwoke ebe a ga-anwale ya bụ nwaanyị iji mara ma ha aga ebilikwa. Nwaanyị ejirikwa anya mara ma ha a ga ebilikwa. Nwaanyị ejirikwa anya mara ma ihe ọ na-ahụ ọ ga-emelikwa. Mana, n'oge ugbua ọtụtụ ihe agbanwela, nwaanyị anaghịzi aga nleta ala. Ụmụnwoke na-alụ nwaanyị etu soro ha. Ebe onye gara ọ kpọrọ nwaanyị lọta, ụfọdụ ụmụnwoke anaghị akpọ ndị okenye na nne na nna aga alụta nwaanyị. Ụfọdụ ụmụnwaanyị agarubeghị ebe a lụrụ ha. O nwebeghị ihe dịka ịjụ ase ka a mara ka ezinaụlọ ọgọ ha dị. Mana, tupu nne na nna amara ihe na-eme ukwu na aka nwa ha agafela n'ebe nke nwoke. Sitena nchọpụta e mere, alụmdi na nwunye n'oge gboo na-agbaso usoro omenala karịa nke oge ugbua, onye ọbụla na-eme ka o siri masị ya.

Ihe ndị na-ebute ịgba alụkwaghịm n'etiti di na nwunye gunyere:
a. Nwoke enweghịzi mmasi n'ebe nwunye ya nọ maọbụ nwaanyị enweghịzi mmasi n'ebe di ya nọ.
b. Nwoke maọbụ nwaanyị ịgba n'ezi.
Ch. Nwoke iti nwunye ya ihe.
d. Ịkwanye nwoke ka ọ lụọ nwaanyị abụghị uche ya maọbụ nwaanyị ịlụ nwoke abụghị uche ya.
e. Nwoke maọbụ nwaanyị izu ohi.
f. Nwoke ịṅụbiga mmanya oke.
g. Enweghị ego maobụ akụnaụba.

Ihe na-ebutekarị esemokwu na ịgba alụkwaghịm n'oge ugbua karịa n'oge gboo bụ, ndị gboo na-ehi aka n'anya, were anya okenye ji ahụ ihe dị n'akpa dibịa leruo anya tupu ha alụta nwaanyị mana ndị nke ugbua bụ ebe ọbụla ha hụrụ nwaanyị mara mma ha kpọrọ lụwa n'ajụghi ajụjụ iji mara ka ezinaụlọ nke nwoke maọbụ nke nwaanyị dị.

Alụmnwaanyị nke ugbua adịghi ka nke oge gboo, nke a na-eme ka a na-enwe ọtụtụ nsogbu n'etiti di na nwunye. Ndị nke ugbua na-elekwasi anya na mma àhụ́ na ego, chefuo na ngwa bụ mma nwaanyị. Nke ọzọ, ndị nke ugbua amaghị na-alụmnwaanyị abụghị ebe ọbụla a hụrụ nwaanyị mara mma a kpọrọ lụwa, ọ dị mkpa ịba ọhịa ajụjụ iji mata ntọala ezinaụlọ ndị na-alụ di na nwunye, maka a jụghị ajụ eri na-ebute a rịaghị arịa anwụ.

**Ntụziaka**

Ntuzịaka ndị a ga-enye onye ọbula chọrọ ịlụ nwaanyị aka ilụta ezigbo nwaanyị:

1. Ndị ntorobịa kwesiri ige ndị nne na nna ha ntị, maka e kwuo a nụghị na-egbu nwata, a hụ e kwughị na-egbu okenye.
2. Ndị nne na nna ga-agba mbọ kuziere ụmụ ha ihe banyere alụmdi na nwunye oge ha ka na-eto eto.
3. Ndị obodo kwesiri inye onye na-agbasoghị usoro omenala kpọbata nwaanyị ntaramahụhụ kwesiri ekwesi ka ndị ọzọ mụrụ akọ.
4. Alụmdị na nwunye kwesiri ịgbado ụkwụ n'usoro omenala nke ọ ga-abụ mgbe nsogbu dapụtara ndị aka ebe na ndị okenye amara ka a ga-esi dozie esemokwu ahụ.
5. Amụmamụ alụmdị na nwunye kwesirị ịbụ otu n'ime ihe ọmụmụ a na-akụzi n'ụlọakwụkwọ maka na ihe banyere alụmdị na nwunye bụ e jebe a ghaghị na ndụ mmadụ.

**Mmechi**

Nwanchọcha chọpụtara na alụmdi na nwunye dị ezigbo mkpa na ndụ ndị Igbo maka a mụta nwa, nwa amụta ibe ya obodo wee na-eto. Nchọcha a nyere ohere ịkọwa mkpa omenala dị, mmadụ ileru anya ala na mmadu igere nne na nna ya nti, ọkachasi oge nwoke maọbụ nwaanyị chọrọ ịbanya n'ewumewụ ezinaụlọ. Nwoke na nwaanyị chọrọ ịlụ di na nwunye ga-asa anya na mmiri iji hụta ezigbo nwaanyị maọbụ nwoke agwa ya dị mma maka ọlụlụ, maka a lụọ taa gbasaa echi abụghị ezigbo ihe, agwa bụ mma nwaanyị.

**Edensibịa**


Agugu, M.O.(2006). *Ndị Igbo Na Akụkọala Ha.* Nsuka: Eva-Unique publishing.

Anozie, C.C. (2003). *Igbo Kwenu (Akụkọ na Omenala Ndị Igbo*). Enugu: Computer Edge Publishers.

Ekwealor, C.C (1998). *Omenala na Ewumewu Ndị Igbo*. Onitsha: Palma

Ekwealor, C.C (2010). *Omenala na Ewumewu Ndị Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers.

Fiske, A.P. (2000). Complementarity Theory: Why Human Social Capacities Evolved to Require Cultural Complements. Retrieved on 10/6/2023 from Fiske Complementarity-theory2000pdf.

Mmaduabuchukwu,C.S. (2014). Agumagu na Nzulite Ụmụaka. Akwụkwọ ebipụtaghị ebipụta Projeti na Amụmamụ Igbo, Afrika na Asia.

Ofomata, C.E.(2012*). Omenala na Ọdịnala Ndị Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Ogbalu, F.C. (1987). Omenala Maka Junio Sekọdịrị n'Usoro 6-3-3-4. Onitsha: University Publishing.